# ITÓETÓ NKE ONYEKRAIST

**2 Pita 1:1-21.**

**IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 454**

**Nke Ndị etiti**

**AMAOKWU IBUN'ISI: "N'ihi na asi na unu eme ihe ndia, unu agagh-asu ngọngọ mgbe ọ bula ma-ọli" (2 Pita 1:10).**

### Pita Onyenkwusa

Saimon Pita naede akwụkwọozi ka anyị n̄aa ntị nkeọma n'ozi nke sitere na Chineke, ọ bụ ezie na enyere ya n'ihe ruru puku arọ abụọ (2,000) garaaga. Akwụkwọ niile ọzọ naeme ochie, anaede akwụkwọ ọhụụ; ma Okwu Chineke bụ ezi ihe nduzi dịrị ndụ anyị náebi kwaụbọchị mgbe niile, ọ bụrụ kwa na anyị esoro ịdọakanántị ya niile, otù ụbọchị anyị gaahụ́ Jisọs.

### Mkwà Dị Icheiche Náadịghị ada

Nime Baịbụl anyị naachọpụta ọtụtụ "nkwa niile ahụ dị oké ọnụ-ahịa di kwa uku ri nne." Otù nke ị nụworo ọtụtụ ugbò bụ, "Umu, nāñanu nti okwu ndi muru unu nime Onye-nwe-ayi … ka ihe we nāgara gi nke-ọma, ka ị we dị kwa ogologo ndu n'elu uwa" (Ndi Efesọs 6:1, 3). Nke a bụ iwu mbụ nwere mkwà nke ndụ ogologo dị ụtọ. Ụfọdụ mkwà niile ọzọ bụ: "N'ulo Nnam ọtutu ebe obibi di; …. Agajem ịbia ọzọ, M'gānara kwa unu nye Onwem; ka unu onwe-unu we nọ kwa ebe Mu onwem nọ" (Jọn 14:2, 3). Mkwà ọzọ, ahụrụ n'isi ikpeazụ nke Baịbụl bụ: "Ngọzi nādiri ndi nāsa uwe -nwuda-ha, ka ha we nwe ike n'ebe osisi nke ndu ahụ di, si kwa n'ọnu-uzọ-ama ahu ba nime obodo ahu" (Nkpughe 22:14). Otù onye agụtawo mkwà dị puku asatọ narị asatọ na iri (8,810) nime Baịbụl.

### Ndị Kraist Naamị Mkpụrụ

Anyị mụtara n'iheọ̀mụ̀mụ̀ nke garaaga na o kwesịrị ka anyị náagụ Baịbụl ka anyị wee náetóetó nime mmụọ. N'isi ebe ọgụgụ anyị nke taa anyị naahụta ihe dị icheiche anyị gaatụkwasị na mnwapụta anyị dịka NdịKraist, agwakwara anyị na ọ bụrụ na anyị emee nke a anyị gaabụ inye aka nye ndịọzọ, ghọọ kwa NdịKraist náamị mkpụrụ. Anyị naecheta ihe Jisọs gwara osisi fig ahụ náamịghị mkpụrụ. Ọ bịara site n'arọ rue arọ, náachọ mkpụrụ n'elu ya ma Ọ hụghị. Emesịa n'arọ nke atọ Ọ sịrị, "Gbutue ya." Ụfọdụ mkpụrụ anaachọta na ndụ nke NdịKraist bụ: "Ihu-n'anya, ọñu, udo, ogologo-ntachi-obi, ọbi-ọma, idi-nma, ikwesi-ntukwasi-obi, idi-nwayọ, imeru-ihe-n'ókè" (Ndi Galetia 5:22, 23).

### "Umu Amuru Ọhu" Nime Kraist

Ndị azọpụtara ọhụụ bụ "umu-nta" nime Kraist ma ha pụrụ itóetó ọ bụrụ na azụọ ha nkeọma. Na 1 Pita 2:2 anyị naagụ, "Dika umu amuru ọhụ, ka agu miri-ara nke Okwu Chineke, nke aghughọ nādigh ya, nāgusi unu ike, ka unu we were ya nētóetó rue nzọpụta." "Miri-ara … nke aghughọ nādigh ya" pụtara nke zuruòkè, ziezi maọbụ nke anaagwaghịagwa. Mmiriara bụ ihe anagụ na ọ bụ nrị zuruòkè: ọtụtụ ihe dị icheiche náedozi arụ dị nime ya. Ọ bụrụ na mmadụ ewere nzu gbarie ya nime mmiri were kwa ya gbajue ihe nwatakịrị ji erinri wee nye ya nwata ahụ, ọ gaajụ ịñụ ya, ọ bụrụ kwa na ọ ñụọ ya, o nwere ike malite ịrịaọrịa. Ọ gaghị enwe ihe niile ahụ náedozi arụ nke mmiriara nwere, ọ bụ ezie na o nwereike yie mmiri ara. Ọ dịghị ihe ọ bụla eji agbanwe Okwu Chineke, anyị aghaghị kwa ịgụ ya ka anyị wee náetóetó nime mmụọ.

Pita naenye anyị ngụkọta nke anyị gaeme: "Nyezu-kwa-nu idi-nma n'okwukwe-unu: nyezu kwa ihe-ọmuma n'idi-nma-unu; nyezu kwa ijisi-onwe-unu-ike n'ihe-ọmuma-unu; nyezu kwa ntachi-obi n'ijisi-onwe-unu-ike; nyezu kwa nsọpuru-Chineke nime ntachi-obi-unu; nyezu kwa ihun'anya umu nna nime nsọpuru-Chineke-unu; nyezu kwa ihun'anya nime ihu-n'anya umu-nna unu." Gịnị bụ ọ̀zịzá maọbụ ngụkọta ha niile? Ọ̀zịzá ya bụ: "Asi na unu nwere ihe ndịa, asi kwa na unu nwere ha ri nne, ha nēdo unu ndi nābugh ndi nādigh alu ọlu ma ọbụ ndị nādigh-ami nkpuru rue imazu Onye-nwe-ayi Jisus Kraist." Agwakwara anyị na ọ bụrụ na anyị naatụkwasị ihe ndịa ná mnwapụta nke NdịKraist anyị, anyị agaghị adaghachi azụ maọlị.

N'akụkụ nke ọzọ enyere anyị ọ̀zịzá nke otù ihe a ọ bụrụ na anyị adịghị atụkwasị ha na ndụ anyị: "Onye ahụ ihe ndia nādigh ya nso bu onye kpuru ìsì, onye nāhu inyogh-inyogh, ebe ọ chezọrọ nsachapu nke nmehie ochie ya nile."

Òlee ọ̀zịzá nke ya na ndụ ganaadakọta? Ị nọ n'òtù ndị "nāmi nkpuru" maọbụ n'òtù ndị náahụ́ ịnyoghịinyoghị maọbụ ndị kpuru ìsì? Agwara anyị na ọ bụrụ na ihe ndị adịghị nime anyị na anyị kpuruìsì náahụ kwa inyoghịinyoghị, maọbụ na anyị chezọrọ na ọ dị mgbe azọpụtara anyị.

Pita matara na mgbe náadịghị anya ya gaje ịla n'Ụlọ ya nke dị n'Eluigwe, o wee sị na ya nwere mmetụta na ọ dị mkpà "ikpali unu." Ọ matara na mgbe náadịghị anya na ya aghaghị inye ndụ ya n'ihi Onyenwe ya.

**N'elu Ugwu Ahụ Dị Nsọ**

Otù mnwapụta dị ebube nke Pita rụtụrụaka n'ebe ọgụgụ a bụ oge ahụ mgbe Jisọs kpọọrọ ya onweya bụ́ Pita, Jemes na Jọn jee n'Ugwu nke Mnwogha. Iru Jisọs mụkere dịka anyanwụ, uwe Ya wee nwue kwa ọcha dịka ìhè. Pita nwere obiụtọ dị ukwu ịnọ n'ebe ahụ, o wee kwueokwu sị, "Onye-nwe-ayi, ọ dị nma ka ayi nọ n'ebe a: ọ buru na I nāchọ, m'gāma ulo-ikwu atọ n'ebe a; ka otù di-kwa-ra Moses, ka otù di-kwa-ra Elaija" (Matiu 17:4). Na mberede igweoji nke náenwuenwu wee kpuchie ha, otù Olu wee gwa ha okwu, "Onye a bụ Ọkparam M'huru n'anya, Onye ihe-Ya dim ezi nma; nurunu okwu-Ya." Pita na Jemes na Jọn tụrụ egwụ wee daa n'ala. Mgbe ahụ ọhù ahụ wee pụọ n'anya ha, ha wee hụ náání Jisọs ka O guzo n'ebe ahụ.

**Ìhè Nime Ọchịchịrị**

Ọ dịghị onye ọ bụla nime anyị nwere mnwapụta dị otú a, ọhụ abụghị kwa ihe ụmụmmadụ naahụ mgbe niile n'ụbọchị ndịa. Ma taa anyị nwereike ịmata n'owuweanya ihe anyị gaeme dịka ọ bụrụ na Jisọs ekwueokwu n'olu anaanụ nkeọma. Pita naasị, "Eme-kwa-ra ka okwu amuma ahu guzosiere ayi ike karị; nke unu nēme nke-ọma n'iña nti ya, dika oriọna mgbe o nēnwu n'ebe gbara ọchịchịrị." Ị̀ maara ihe okwu ahụ doroanya bụ? Ọ bụ Baịbụl Nsọ. Ọ bụrụ na mmadụ gaagwa gị na ya anụwo ka Chineke gwara ya okwu, eleghịanya ị gaenwe obiabụọ banyere ya, ọ dịghị kwa onye ọzọ gaerita urù ma ọbụghị náání onye nụrụ Olu ahụ. Mgbe ụfọdụ Chineke naagwa ụmụmmadụ okwu n'olu dị elu; ma anyị nwere Okwu Chineke, anaele kwa anya na anyị ganaagụ ya wee mụta uche Chineke.

Ndị naekwusa Oziọma abàwo n'ụwa niile wee gwa ụmụmmadụ banyere Jisọs; ndịozi kwesịrị ntụkwasịobi naekwusa Okwu ahụ n'ụlọ chọọchị na redio; ana ezipụ akwụkwọ Oziọma n'ụwa niile. Ndị Apostolic Faith naeziga akwụkwọ Oziọma n'ihe karịrị narị ala abụọ (200) na agweetiti, naatụgharị kwa ya n'ihe karịrị iri asụsụ asaa (70).

Otù Baịbụl maọbụ Agba Ọhụụ ka enwere ike ịzụta n'ọnụahịa dị ntà n'ala anyị. Ọ gaadịrị anyị mma ka anyị rubere ya isi, n'ihi na ọ bụghị okwu mmadụ kama nke Chineke. "N'ihi na ọ dịgh amuma ọ bula nke eji ọchichọ madu bu mgbe ọ bula: kama madu sitere na Chineke kwu okwu, mgbe Mọ Nsọ nēme ka ha kwue."

Taa, akụkụ ụfọdụ nke Baịbụl ka anaebipụta n'asụsụ ruru otù puku otù narị na iri isii na ise (1,165). Na United States náání, ihe karịrị nde Baịbụl iri (10,000,000) ka erere n'arọ 1959. Japan bụ obodo nke abụọ rere Baịbụl ebe ọ dị ukwu n'ihi na ha rere 1,886,909 nime otù arọ ahụ. Otù naere Baịbụl na Japan (Japanese Bible Society) kwupụtara na kemgbe alụsịrị Agha Ụwa nke Abụọ (World War II) na erewo Baịbụl ọnụ ọgụgụ ya dị 27,074,553, na kwa na oge niile site na 1876 rue 1944 náání puku iri na asatọ ka erere.

Ụmụokorọbịa na ụmụagbọghọbịa, unu anụwo mkpà nke ozi Pita dị, otù nime "ndị dị nsọ nke Chineke" onye kwuruokwu "dịka Mọ Nsọ nēme ka ha kwue." N'ezie ị gaeme nkeọma ọ bụrụ na ị "ña ntị" n'ozi ahụ.

## AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1. Kpọọ aha mkwà ukwu olenaole agaachọta nime Baịbụl.
2. Kpọọ aha ihe ise agwara anyị ka anyị tụkwasị n'okwukwe anyị.
3. Gịnị ka ekwuru banyere ndị náenweghị ihe ndịa?
4. Òlee otú Pita si mata na ya gaanwụ mgbe nso wee jee binyere Jisọs?
5. Gịnị mere n'elu Ugwu Mnwogha?
6. Ònye dere Baịbụl?
7. Kpọọ aha Mmadụ atọ ahụ dị n'otù Isi Chineke onye Pita rụtụrụaka n'ebe ọgụgụ a?
8. Stie n'ụzọ dị añaa ka Chineke si agwa anyị okwu taa?